**IWU SISTEMỤ AHỤIKE NKE MEMORIAL HERMANN**

| | |
|---|---|
| **ISIOKWU IWU** | Iwu ịgba-ụgwọ na nnakọta |
| **ỤBỌCHỊ MBIPỤTA** | 03/19/2018 |
| **ỤDỊ:** | 1 |

---

**EBUMNUCHE IWU:**

Iwu a na-ewepụta usoro nwere isi banyere nnakọta akaụntụ ndị ọrịa, gụnyere ihe ndị Memorial Hermann Health System ("MHHS") ma ọ bụ ndị ọrụ iro egoro ego ga-eme.

**OKE:**

Iwu a mabidoro ndị ụlọ ọgwụ niile steeti nyere ikike ịrụ ọrụ 501(c)(3) ndị MHHS na ahụta maka ha nke MHHS Financial Assistance Policy ("FAP") kpuchitere, nke gụnyere:

Memorial Hermann Greater Heights Hospital
Memorial Hermann Katy Hospital
Memorial Hermann Memorial City Medical Center
Memorial Hermann - Texas Medical Center
- Memorial Hermann Cypress Hospital
- Memorial Hermann Orthopedic and Spine Hospital
- Memorial Hermann Northeast Hospital

Memorial Hermann Rehabilitation Hospital Katy, L.L.C.
Memorial Hermann Southeast Hospital
- Memorial Hermann Pearland Hospital

Memorial Hermann Southwest Hospital
Memorial Hermann Sugar Land Hospital
Memorial Hermann The Woodlands Medical Center
TIRR Memorial Hermann

MHHS na-arụ ọrụ nnyocha ahụ nke ndị bịara ịnara ọgwụgwọ, ọgwụ maka ndị na-eme ihe egwuregwu na ụlọ ọgwụ maka mgbanwe omume, na ụlọ ọgwụ maka ọnọdụ mberede dịka ebe gbadoro ụkwụ na nleta, ngalaba maka ndị bịara ịnara ọgwụgwọ n'ụlọ-ọgwụ maka ihe ndị a edepụtara n'elu, ma ekpuchitere ha n'okpuru iwu a.

**NKWUPỤTA IWU:**

1. Ọ bụ iwu ndị MHHS na ndị ọzọ ya na ha na emekọ danyere n'okpuru nke FAP ịchụso nnakọta nke ego onye ọrịa fọdụrụ n'aka ndị ọrịa nwere ike ịkwụ ụgwọ maka ọrụ. Iwu a na-akọwa ihe ndị MHHS ga-eme iji nakọọ ụgwọ ụlọ ọgwụ ma ọ bụ ụgwọ ndị ọzọ maka ọrụ nleta enyere ndị ọrịa ndị MHHS. Iwu a na-akọwakwa usoro na oge ọ ga-ewe iji mee nnakọta ndị ahụ, yana ihe ndị MHHS nwere ike ịme mgbe akwụghị ụgwọ, yana mbọ nwere isi ndị MHHS ga-agbarịrị iji chọpụta ma onye ọrịa etozuru ịnweta ego enyemaka.

2. Iwu a na-akọwa otu ndị MHHS si agwa ndị ọrịa okwu gbasara ego ole amụtara maka ọrụ ndị MHHS

nyere.

3. Ndị MHHS ga-agba mbọ nwere isi iji mara ndị ọrịa nwere ike itozu maka ego enyemaka.

4. Iwu a na-akọwakwa ọnọdụ ndị MHHS nwere ike iji depụ akaụntụ onye ọrịa dịka ajọ ụgwọ eji eji na usoro esi achịkwata ma ledo anya n'ihe edepụrụ n'ime ihe fọdụrụ n'akaụntụ onye ọrịa.

5. Ndị MHHS agaghị esonye na Omume Nnakọta Pụrụ Iche dị ka esiri dee na Akụkụ 501(r) nke Internal Revenue Code yana iwu ndebe ndị na eso ya.

6. Iwu na usoro edepụtara n'ime ebe a bụ nke emere ka ọ dabanye n'iwu na iwu ndebe nke steeti Texas, Akụkụ 501(r) nke Internal Revenue Code, na nduzi ndị ọzọ metụtara ya.

7. Ikike ikpeazụ iji kpebie ma ndị MHHS agbaala mbọ nwere isi iji kpebie ntozu maka Ego Enyemaka dịịrị ndị MHHS.

**USORO NA NKỌWA:**

1. *Akwụkwọ Anamachọihe:* Akwụkwọ anamachọihe maka Ego Enyemaka nke ọ bụ onye ọrịa ga-edejupụta.

2. *Oge itinye akwụkwọ anamach*ọihe*:* N'oge akwụkwọ anamachọihe ahụ, ndị MHHS ga-anabata ma hazie akwụkwọ anamachọihe maka ego enyemaka. Oge akwụkwọ anamachọihe ahụ na ebido n'ụbọchị enyere onye ahụ nleta ma kwụsị ka mkpụrụ ụbọchị narị abụọ na iri anọ gachara ejiri weta akwụkwọ ịgba ụgwọ nke mbụ maka nleta ahụ.

3. *Ndepụ ajọ ụgwọ eji eji.* Ndezi emere n'akaụntụ onye ọrịa maka ọnụego enweghị ike ịnata, mana onye ọrịa ahụ nwere ike ịkwụnwu ụgwọ fọdụrụ. A na eme mkpebi site na njirisi nnakọta ezubere, nke a na eme naanị mgbe agbara akaụntụ ụgwọ ma gbaa mbọ ịme nnakọta ziri ezi.

4. *Ndezi Nkwekọrịta:* Ndezi emere n'akaụntụ onye ọrịa iji gosi ndịiche dị n'etiti mgbakọta ụgwọ onye ọrịa n'ego ole edepụtara na ego mmachi akpa ana atụ anya n'aka ndị ọzọ n'akwụ ụgwọ n'isonye iwu ndebe iwu ma ọ bụ nhazi nkwekọrịta.

5. *Extraordinary Collection Actions ("ECAs"):* Ndị a bụ omume nnakọta ndị na-achọ usoro ụzọ iwu ma ọ bụ ikpe, ma nwekwaa ike ịgụnye mmemme ndị ọzọ dịka ịresị otu ọzọ ụgwọ eji ma ọ bụ ịkpesara otu ndị na ebinye ego akụkọ ojoo. **MHHS anaghị etinye aka n'ime ECAs, ma ọ bụ kwe ka ndị na emere ha nnakọta tinye aka n'ime ECAs.**

6. *Ego enyemaka:* Ego enyemaka pụtara ịnye aka ndị MHHS na-enye ndị ọrịa ruru ụfọdụ njirisi nke ego na ntozu ihe ndị ọzọ dị ka esiri kọwaa ya na FAP iji nyere ha aka ịnweta ego dị mkpa iji kwụ ụgwọ maka ihe ọnọdụ mberede ma ọ bụ ọrụ nleta ahụike dị mkpa nke ndị MHHS na-enye. Ndị ọrịa tozuru etozu nwere ike ịgụnye ndị ọrịa na enweghị ihe nchekwa, ndị ọrịa na ana obere ụgwọ ọnwa, yana ndị ọrịa ahụ nwere ọkara mkpuchi mana ha enweghị ike ịkwụ ụfọdụ ma ọ bụ ụgwọ niile fọdụrụ n'ụgwọ ụlọ ọgwụ ha. Ego enyemaka agụnyeghị ego nkwekọrịta dị n'etiti ụlọ ọrụ na eme nchekwa yana ndị ụlọ

ọrụ mkpuchi ahụike ndị ọzọ.

7. *Plain Language Summary ("PLS"):* Nchịkọta nkịtị nke FAP gụnyere: (a) obere nkọwa gbasara ihe achọrọ maka ntozu na enyemaka a na enye; (b) ndepụta weebụ na ebe a ga enweta akwụkwọ anamachọihe maka ịnweta ego enyemaka; (c) ntụziaka maka etu esi enweta akwụkwọ ebipụtara a na enye n'efu gbasara FAP; (5) ozi mkpọtụrụ maka enyemaka na usoro akwụkwọ anamachọihe ahụ; (6) ọdịdị nke ntụgharị asụsụ nke FAP ahụ na akwụkwọ ndị metụtara ya; na (7) nkwupụta na agba akaebe na ndị ọrịa ekpebiri na ha tozuru ịnweta ego enyemaka agaghị akwụkarị ihe ndị ọzọ na-akwụ maka ọnọdụ mberede ma ọ bụ nleta ahụike dị mkpa.

8. *Mbọ nwere isi:* Ndị MHHS ga-agba mbọ nwere isi iji gwa onye ọrịa maka FAP nke MHHS site na iwere nchịkọta asụsụ nkịtị nke FAP ahụ nye ndị ọrịa niile na mbido nleta. Na mgbakwunye, MHHS ga-eme usoro ndị a iji gwa ndị ọrịa maka FAP nke MHHS:

   a. *Akwụkwọ anamachọihe edejupụtaghị:* Ọ bụrụ na onye ọrịa na/ma ọ bụ ezinụlọ nyefee akwụkwọ anamachọihe edejupụtaghị, mgbe ahụ MHHS ga-eweta amamọkwa edere ede iji kọwaa mgbakwunye ozi ma ọ bụ akwụkwọ ndị dị mkpa achọrọ.

   b. *Akwụkwọ anamachọihe edejup*ụtara*:* Ọ bụrụ na onye ọrịa na/ma ọ bụ otu onye n'ezinụlọ onye ọrịa ahụ nyefere akwụkwọ anamachọihe maka ego enyemaka edejupụtara, MHHS ga-eweta amamọkwa edere ede ga-ekwu ma onye ọrịa etozuru ịnweta ego enyemaka n'ụzọ haziri ahazi ma degaara onye ọrịa ahụ akwụkwọ banyere mkpebi ahụ (gụnyere, ma ọ bụrụ na ọkwesịrị, enyemaka ruru onye ọrịa ahụ) na mgbado ụkwụ maka mkpebi a. Amamọkwa nke a ga-agunyekwa pasentị ole Ego Enyemaka pụtara (maka akwụkwọ anamachọihe ndị akwadoro) ma ọ bụ ihe mere na ekwetaghị, na ụgwọ a na atụ anya n'aka onye ọrịa ahụ na/ma ọ bụ ezinụlọ ya n'ebe ọkwesịrị. Onye ọrịa na/ma ọ bụ ezinụlọ ya ga na enweta akwụkwọ ndepụta n'oge ana enyocha akwụkwọ anamachọihe ahụ zuru ezu.

   c. *Akwụkwọ ndepụta nke onye ọrịa:* MHHS ga-eziga akwụkwọ ndepụta na-akọwa akaụntụ na ego ole onye ọrịa ji. Akwụkwọ ndepụta onye ọrịa ga-enwe ihe edere na ọ bụ ọrụ diịrị onye ọrịa ịgwa ndị MHHS maka mkpuchite nke nchekwa ahụike ọ bụla dị, ọkwa maka FAP nke MHHS, akara ekwentị iji rịọta ego enyemaka, na adreesị weebụ ebe a ga-enweta akwụkwọ FAP.

   d. *Weebụsaịtị ndị MHHS:* Weebụsaịtị ndị MHHS ga-ebipụta ọkwa n'ebe pụtara apụta na ịnweta ego enyemaka dị, ya na nkọwa maka usoro akwụkwọ anamachọihe ego enyemaka ahụ. Ndị MHHS ga-ebipụta FAP ahụ yana ndepụta ndị mweta ekpuchiri na ndị ekpuchighi n'okpuru FAP, nchịkọta asụsụ nkịtị, akwụkwọ anamachọihe maka ego enyemaka, na iwu ịgba-ụgwọ na nnakọta dị na weebụsaịtị ndị MHHS: http://www.memorialhermann.org/financialassistanceprogram/. MHHS ga-enwe akwụkwọ ndị a ebipụtara a na enye n'efu nke ga-adị ma achọọ ya na ngalaba maka ọnọdụ mberede na ebe ndebanye aha.

**NJIRISI NTỤLE:**

1. *Nkwukọrịta n’etiti onye ọrịa:* Na mbido usoro okirikiri ego ọmụrụnwa, ndị ọrịa ga-enweta ozi edere ede ma ọ bụ nke ekwuru n'ọnụ banyere ego ha fọdụrụ, ya na ịkwụ ụgwọ ndị MHHS na-atụ anya. Nkwukọrịta niile emere n’etiti ndị ọrịa ga-agụnye ọkwa maka ọdịdị FAP, akara ekwentị a ga-akpọ maka ozi mgbakwunye, na adreesị weebụsaịtị ebe a ga-enweta akwụkwọ maka FAP na akwụkwọ ndị ọzọ metụtara ya. Ndị MHHS ga-enye ndị ọrịa niile akwụkwọ nchịkọta asụsụ nkịtị nke FAP.

    a. Atụrụ anya na ndị ọrịa na enweghị ihe nchekwa na ndị MHHS ga-arụkọ ọrụ n'ịgba mbọ ịmata ụzọ ego enyemaka dị nke sitere na ihe omume gọọmentị etiti na steeti iji kpuchie ụgwọ nleta ahụike ha. Ndị ọrịa na enweghị ihe nchekwa ga-enweta akwụkwọ ndepụta kwa ọnwa nke na-akọwa FAP na ego ha fọdụrụ ihe ruru mkpụrụ ụbọchị 150 enyechara ya nleta. Ọ bụrụ na onye ọrịa abanyeghị na atụmatụ ịkwụ ụgwọ ma ọ bụ akwụzughi ego ha fọdụrụ, MHHS ga-ele anya itinye akaụntụ ahụ n'aka ndị ọrụ nnakọta ọzọ.

    b. Atụrụ anya na ndị ọrịa nwere ihe nchekwa na ndị MHHS ga-arụkọ ọrụ n'ịgba mbọ ịnweta ego n'aka ndị ụlọ ọrụ ihe nchekwa nke onye ọrịa ahụ. Onye ọrịa kwesịrị ịghọtakwa na mgbe ndị MHHS gbara ndị ụlọ ọrụ ihe nchekwa nke ọrịa ahụ ụgwọ, na ọ bụ ihe kwesịrị ekwesị, ọ wepụghị ọrụ dịịrị onye ọrịa ịkwụ ụgwọ maka nleta ndị MHHS nyere ya. Ya mere, ụfọdụ oge, ndị MHHS ga-achọ ka onye ọrịa kpọturu ndị ụlọ ọrụ ihe nchekwa ha maka ikpezi okwu banyere igbu oge n'ịkwụ ụgwọ ma ọ bụ kpezie okwu banyere nchịkwa ndị ọzọ na egbochi ịkwụ ụgwọ mkaa ọrụ nleta. Ozugbo MHHS nwetara akwụmụgwọ maka ọrụ, ma tinye nhazi nkwekọrịta ziri ezi n’akaụntụ ahụ, onye ọrịa ahụ ga-enweta akwụkwọ ndepụta kwa ọnwa nke kọwara FAP na ego ha fọdụrụ ruo mkpụrụ ụbọchị 120 na-eso akwụmụgwọ nke ndị ụlọ ọrụ ihe nchekwa ahụ. Ọ bụrụ na onye ọrịa abanyeghị n’atụmatụ ịkwụ ụgwọ ma ọ bụ akwụzughi ego ha fọdụrụ, ndị MHHS ga-ele anya itinye akaụntụ ahụ n'aka ndị ọrụ nnakọta ọzọ.

2. *Ego enyemaka:* Ọ bụ ọrụ ndị MHHS ịnyere ndị ọrịa aka n'ịnweta ego mmachi akpa n'aka otu ndị ọzọ dịnụ. Ndụmọdụ maka ego ga-adị iji nyere ndị ọrịa aka ịmata ihe omume nke gọọmentị etiti na steeti dịnụ maka mkpuchi nleta ahụike ndị nwere ike irute ha, ya na ikpebi ntozu n’okpuru FAP. A ga-akwụsị omume nnakọta ruo mgbe enwetere nsonaazụ nke mkpebi ndị a, mana aga na-eziga akwụkwọ ndepụta onye ọrịa. Maka ịnweta ego enyemaka n'aka ndị MHHS, njirisi eji gbakọọ ego ole aga ewepụ, ụzọ ndị MHHS ga-esi kwusaa FAP n'ọhaneze dị n'ime obodo ndị MHHS na-agbara odibo, usoro ndị MHHS ga-eji kpebie ntozu, yana usoro akwụkwọ anamachọihe ahụ ka akọwara n'uju n'ime Iwu **Ego Enyemaka ndị MHHS.**

3. *Atụmatụ ịkwụ ụgwọ:* Ndị MHHS na-enye ndị ọrịa n'ahụta isi ike n'ịkwụ ụgwọ atụmatụ ịkwụ ụgwọ ogologo oge n'enweghị ọmụrụ nwa ọ bụla. Ndị ọrịa nwere ike ịbanye n’atụmatụ ịkwụ ụgwọ site na Pay My Bill Patient Portal (https://paymybill.memorialhermann.org/?_ga=1.221977755.265979238.1484666437). Achọrọ ka onye ọrịa kwụọ ụgwọ opekata mpe kwa ọnwa iji nwee atụmatụ ịkwụ ụgwọ n'arụ ọrụ. Ọ bụrụ na onye ọrịa akwụghị ụgwọ etu esiri kwuo, a ga-ahụta onye ọrịa ahụ dịka onye anaghị emezu ihe ọ kwere na nkwa ịkwụzu ego fọdụrụ ha ji. A ga-agba mbọ hụ na emegharịrị atụmatụ ịkwụ ụgwọ nke onye ọrịa na isote ụgwọ akwụghị akwụ. Ọ bụrụ na onye ọrịa emegharịghị atụmatụ ịkwụ ụgwọ

na/ma ọ bụ akwụtaghị ụgwọ nke ugboro abụọ, ndị MHHS ga-edebe akaụntụ ahụ n'aka ndị ụlọ ọrụ nnakọta ọzọ. Ka etinyere ya n'aka ndị ụlọ ọrụ nnakọta ọzọ, onye ọrịa ahụ na ndị ụlọ ọrụ ọzọ ahụ ga na-arụkọ kpọmkwem iji kwụzuo ụgwọ fọdụrụ. Onye ọrịa ahụ agaghị etozu ịbanye n’atụmatụ ịkwụ ụgwọ ọzọ site na MHHS Everyday Well Patient Portal maka otu akaụntụ ahụ. Agbanyeghị, onye ọrịa ahụ ga-etozu ịmebe atụmatụ ịkwụ ụgwọ maka akaụntụ ndị n'esote site na MHHS Everyday Well Patient Portal.

4. *Omume nnakọta mgbe akwụghị ụgwọ:* Ọ bụrụ na-akwụghị ụgwọ, a ga-eme ụfọdụ omume nnakọta site n’ego fọdụrụ n’akaụntụ, onye ọzọ ịnwe ike ịkwụ ụgwọ, ntozu nke onye ọrịa maka enyemaka nke gọọmentị ma ọ bụ ego enyemaka, nkwenye onye ọrịa, ndekọ akwụmụgwọ ma ọ bụ ajọ ụgwọ eji eji, na/ma ọ bụ enweghị ike ịchọta onye ọrịa ahụ. Omume nnakọta nwere ike ịgụnye arịrịọ maka nnagha onye ọzọ ịkwụ ụgwọ; nkwukọrịta n’etiti onye ọzọ ga-akwụ ụgwọ; akwụkwọ ndepụta, leta, na ịkpọ onye ọrịa ahụ n'ekwentị maka ịnye ya ego enyemaka na/ma ọ bụ kwuo maka ịkwụ ụgwọ; na ịgwa onye ọrịa ma ọ bụ onye nkwado ikpeazụ na akaụntụ ha anaghị akwụ ụgwọ ma nwekwa ike ịbanye n'aka ndị ụlọ ọrụ nnakọta n'ụbọchị agafeghị mkpụrụ ụbọchị 120 site n'ụbọchị enyere onye ọrịa akwụkwọ ndepụta nke ego ole fọdụrụ n'ụgwọ o ji. Ndị MHHS nwere ike ịme ihe n'ụzọ iwu megide onye ọzọ (onye ọzọ naghara nsogbu) kpatara akwụghị ụgwọ nke akaụntụ ahụ.

5. *Ajọ ụgwọ eji eji:* Enwere ike ịdepụ akaụntụ dị ka ajọ ụgwọ eji eji naanị mgbe agbachara ndị ọzọ na-akwụ ụgwọ na akaụntụ ahụ na onye ọrịa/onye nkwado ụgwọ ikpeazụ, emeela mmepụta ịgba-ụgwọ na nkwukọrịta, agbaala mbọ nwere isi iji gwa onye ọrịa ahụ maka ọdịdị nke ego enyemaka, oge enyere maka ịkwụ ụgwọ agaala, na akpọọla ego dị na akaụntụ ahụ ewe ewe.

6. *Omume nnakọta nke mp*ụga*:* N'ịhụ na naanị akaụntụ ndị kwesịrị ekwesị ka a na edepụ dịka ajọ ụgwọ eji eji, ma naanị mgbe agbara mbọ ịgba ụgwọ na nnakọta, gụnyere nziga ziri ezi n’aka ndị ụlọ ọrụ mpụga maka nnakọta, ndị otu ọrụ nlekọta ndị ahịa ga-atụle ndepụ ajọ ụgwọ eji eji maka nnabata. Iji njirisi nnakọta emebere na oke ikikere ndepụ anabatara, Onye Nduzi Ọrụ Nlekọta Ndị Ahịa nwere ike ịnabata ndepụ ahụ ma ọ bụ tụọ alo omume ziri ezi nye osote onye isi oche nke Revenue Cycle Management. Sistemụ akaụntụ onye ọrịa nwere ike iji onye ewepụtara ga-akwụ ụgwọ, ego fọdụrụ, na usoro omume ịkwụ ụgwọ were wefere ndị ụlọ ọrụ mpụga maka nnakọta akaụntụ n'akpaghị ya aka.

7. *Mmezu:* Ọ bụ ọrụ diịrị ndị MHHS Revenue Cycle Management Division imezu iwu a ma mepụta usoro kpọmkwem eji arụ ọrụ na ngalaba.

**NTỤAKA:**

A. Iwu mwefe onye ọrịa (EMTALA na nkwenye iwu mwefe obodo Texas)
B. Iwu ego enyemaka
C. Nchịkọta asụsụ nkịtị maka ego enyemaka
D. Akwụkwọ anamachọihe maka ego enyemaka